Nka Na Ndịna Ịkpụ Isi Dị N′ Ụkpabi Nke Dị N′ụzọ-Ụwanị Na Steeti Enugwu Sina aka

Ezesinachi Juliet Ngozika
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348033223859/+2348154751685
ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng/sinachijully@gmail.com

Ugwuamoke Chidera Josephine
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+234816444229 chiderajosephineogbobe@gmail.com

na

Abonyi Augusta Ngozi
Department of Arts Education Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348030899936
Augusta.abonyi@unn.edu.ng

Ụmị Ederede

Nchọcha a lebanyere anya n'ihe gbasara ịkpụ isi di dịka o si dị ire n'omenaala ndị obodo Ụkpabi nke dị n'okpuru ọchịchị Ụzo-ụwanị na steeti Enugwu. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe kpatara nwanyị ajadu obụla si n'obodo ụkpabi ji akpụ isi ya ma di ya nwụọ, oge o kwesiri iji mee nke a, ugboro ole a tụrụ anya na ọ ga-akpụ isi ya, onye kwesiri ikpụ ya isi, emume a na-emere ya tinyekwara ihe ịkpụ isi zipụtara. Atụtụ e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a bụ atụtụ feminism nke Mary Wollstonecraft (1792), atụtụ fọnshọnalisti-Soshọlọjị nke Emile Durkheim (1917), atụtụ ntufu na arịrị nke Sigmud Freud (1969) nakwa atụtụ historizm ọhụrụ nke Stephen Greenblatt (1990). Ọ bụ usoro ịgba ajụjụ ọnụ ka e siri wee nweta ngwaọrụ e jiri rụọ ọrụ. A gbara otu onye okenye nakwazị ụmụnwanyị ajadu atọ ajụjụ ọnụ. Ndị e jiri mee nchọcha a bukwa ndị obodo Ụkpabi ma bụrụkwazi ndị a tụrụ anya na ha ga-enye onye nchọcha aziza ga-enyere

ya aka ịchọpụta ihe ọ na-achọ dịka o kwesiri. N'ọhịa nchọcha, a chọpụtara na ma ruo taa n'obodo Ụkpabi, nwanyị ọ bụla di ya nwụrụ na-akpụ isi ya iji zịpụta umeala, nsọpụrụ (nkwanyere ugwu) na mmetụta o nwere n'ebe di ya nwụrụ anwụ nọ. Ọ bụ onye kachasị mee okenye n'ime ndị iyom di ya ma bụrụkwa ajadu ga-eji agụba (ọkpe) wee kpụchasịa nwanyị ajadu isi n'ụbọchị o mere izu atọ e lichara di ya. A chọpụtara na ọ bụ ugboro abụọ ka nwanyị ajadụ kwesiri ịkpụpụ ntutu isi ya. A na-emere ya emume na be ndị be nna ya ma bunye ihe onyinye o ji amalite ibi ndu ọhụrụ ya n'ụbọchị ọ ga-akpụ isi ya nke ugboro abụọ. Ha kwenyere na ajọ ọrịa na-adakwasị nwanyị ajadu obụla jụrụ ịkpụ ntutu isi ya tinyekwara ajadu mmiri metụrụ n'isi nke na-erubeghị mgbe e kwesiri ịkpụ isi. Ọkpụrụkpụ okwu: Omenaala, Alụm Di Na Nwunye, Ọnwụ, Ịkpụ Isi, Ọnọdụ Ajadu.

Abstract

This study tries to elucidate the tradition of shaving of head in Ukpabi village in Uzo-Uwani Local Government Area of Enugu State. The aim of the study is to find out why every widow from Ukpabi village shaves her head after the death of her husband, what it signifies, the exact period every widow is expected to observe such death ritual, how many times such ritual is demanded from her, the right person responsible to shave off her head, ceremonies attached to this shaving of hair ritual and the consequences of any widow's refusal to observe this ritual. This study adopts theory of feminism, theory of Functionalism-Sociology death theory, Theory of lossand bereavement, and theory of new history. It is a descriptive research. The data for the analysis is gotten from oral interview. One elderly man and three widows were interviewed. The three persons interviewed were selected within the village and their responses facilitated the research. Other sources of data are: internet, phones, journals, and library that were used to elicit information from the people interviewed. The responses gotten from the oral interview shows that every widow in Ukpabi barbs her hair in respect to signify that her late husband who was her glory and dignity has departed from her. The eldest among her co-wives is the right person in position to shave her hair. The widows are expected to barb their hair twice. Further finding is that any widow that refuses to shave her head must suffer an incurable sickness that will

gradually kill her. The tradition of a widow shaving her head in respect to her husband's death is still in existence at Ukpabi village. Keywords: Tradition, Marriage, Death, Shaving of Head and widowhood practices.

Mkpọlite

N'ala Igbo, alụm di na nwunye so n'alaka kacha pụta ihe n'omenala nakwa na ọdịnala ha. Ọ bụkwazị otu ihe a na-akụziri nwata nwanyị (nwaagbọghọbịa) na-etolite etolite ka ọ na-elegara anya ma na-ekpere chi ya ka ọ bịa na mmezu na ndụ ya. Nke a mere na nwa agbọghọbịa dị etu a nọrọ n'agbata afọ iri atọ na ise (35) ma ọ lụbeghị di, ndị obodo na ndị ezinaụlọ ya ga-amalite ichetara ya n'oge ọlụlụ di ya na-agafezi agafe maọbụkwanụ, ha gbawa ya ajụjụ ọnụ ịmata ihe mere na ọ lụbeghị di ka ọ bụ na ọkpụisi amaghị akpụ kaọbụ na agụba adịghị nkọ. Ndị nile gbara nwata nwanyị dị etu a gburugburu ga-amalite ichetara ya na n'oge na-adịghị anya, o nwere ike ịza "nna ga-alụ" maọbụ "ndabiri". Maọbụrụkwa na nwoke ruo oge ịlụ nwanyị ma ọ lụghị, a na-akpọ ya "okokporo". Oge nwanyị mechara lụọ ezigbo di, a na-enwere ezinaụlọ ọhụụ ahụ obi aṅụrị n'ihi na ugwu nwanyị bụ di ya. Di na nwunye ọhurụ a, ga-enwe ezinaụlọ nke ha, biri n'udo, mụọ ụmụ nke ha, baa ụba ma na-enwe aṅụrị ganye na ọnwụ ekewaa ha abụọ.

N'ezie, ọnwụ bụ naanị ụgwọ onye dị ndụ ji ọ ga-akwụ ma oge ya ruo. Ọnwụ bụ oge onye dị ndụ (eku ume) kubiri gharazie iku ume, imegharị ahụ ma tọgbọrọ ebilighi ebili naanị ma apafụrụ ya ebe ọ tọgbọrọ ka ozu n'ihi na ndụ adịghịzị ya n'ime. Ọkafọ (1996) chọpụtara ụdị ọnwụ atọ: ọnwụ chi, ọnwụ ọjọọ na ọnwụ akamere. Ụdị ọ bụla n'ime ọnwụ atọ nke a nwere ike igbu di, nke bụkwa onyeisi ezinaụlọ. Ma ọ bụrụ na nna ezinaụlọ anwụọ otu n'ime ụdị ọnwụ a, nwunye ya gaakwa oke arịrị ma nọrọ n'ọnọdụ iru uju dịka ntọaja omenala ha siri dị ganye na ọ kwacha di ya. A na-akpọ nwanyị nọ ọnọdụ dị etu a "nwanyị ajadụ". Ọ na-anọ n'obi mgbawa na n'iwe n'ihi na ebube na ugwu ya bụ di ya ahapụla ya.

Ka di nwanyị nwụchara, ndị obodo a na-ezipu ndị ụmụada ka ha gaa gụpụtara nwanyị ajadụ ahụ ihe a tụrụ n'anya na ọ ga-eme tinyere ihe ọ gaghị eme ganye na ọ kwacha di ya nwụrụ anwụ. Iwu ndị ahụ ga-abụ ihe mgbazi we nyere akparamagwa ọha obodo nile tụrụ anya n'aka ya iji hụ na ọ dabaghị n'ọnwụnwa ka ha ghara ịda ya ngha maọbụ inye ya ntaramahụhụ dịrị iwu o debeghi. Iwu ha gụnyere: ịkpụ isi di, apụtaghị iro ganye ụbọchị iri na abụọ e lichara di ya, iyi akwa

ojii kwaa di ya otu afọ, ya na nwoke ọzọ enwela mmekọ (ịkwa iko), dịrịgawazie. Ma nke onye nchọcha gbakwasịrị ụkwụ mee nchọcha ya bụ"ịkpụ isi di".

Mma nwanyị bụ ntụtụ isi ya. Mana, ịkpụ isi di bụ omenala izizi nwanyị ajadu na-eme nke na-ezipụta na di ya bụ ebube na ugwu ya ahapụla ya gawa ala mmụọ. O ji ọnọdụ ịkpụ isi ya ahụ egosipụta umeala na nsọpụrụ o nwere n'ebe di ya nwụrụ anwụ nọ. Ndị Igbo kwenyekwara na mma nile nwanyị ọbụla mara bụ di ya ka ọ mara ya. Ndị iyom di ya na-eji agụba dị nkọ kpụọ ya isi ntutuisi ya (bụ ụdị isi a kpọrọ 'isi nkwọcha') igosịpụta na ọnọdụ nwunye ọ rụrụ abịala n'isi njedebe (ya bụ na o nweghizi isi). Ọtụtụ ụmụnwanyị ajadu na ahụta ịkpụ isi ha mgbe di ha nwụrụ dịka ụzọ isi gosipụta obi mgbawa maọbụ nwute ha nwere na di ha ahapụla ha. Ọ bụ n'ihi nke a ka ụfọdụ ụmụnwanyị ajadu ji eji ezi obi ha kpụọ isi ha. Ọtụtụ mgbe, ha na-ebu ọnya n'isi n'ihi na ọkpụụ isi ahụ nwere ike iji agụba meruo ha ahụ mgbe ọ na-akpụ ya isi ahụ.

Ọrụnchọcha a gbasoro usoro diskriptivu sọvee(sọvee nkọwa) wee rụọ ọrụ ya. Singleton na Straits, (2009:11) kOwara na sọvee bụ nkọwasi na-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ ma na-egosi etu e si agbaso usoro kwesiri ekwesi were nyochaa ngwa nchọcha na ihe e ji mee ihe nchọcha. Jeannez, Shaughnessy na Zechmeister, (2011) sị na sovee Nkọwa bụụzọ mmadụ si ajụ ajụjụ ijiwee mata ọtụtụ ihe; dịka omume mmadụ, echiche na omenala ndị. Ọ bụkwauazị usoro ịgba ajụjụ ọnụ ka onye nchọcha a si wee nweta data o ji rụọ ọrụ, n'ihi nke ka e ji jiri ụdị usoro sọvee mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha a dị mmadụ anọ; otu onye okenye na ụmụnwanyị ajadu atọ. Atọ n'ime ha bụ ndị Ụkpabi, ebe otu nwanyị ajadu bụ onye obodo Enugwu-Ezike a lụbatara n'obodo a. be nna onye nchọcha a bụ Ụkpabi. Ọ bụ ya gbara ndị e jiri mee nchọcha a ajụjụ ọnụ ma nweta njiatụle e jiri rụọ ọrụ. E sikwazị na akwụkwọ ọgụgụ e si n'ọba akwụkwọ dị iche iche nakwa n'ọwa ozi ịntaneetị wee nweta data e ji rụọ ọrụ.

Ntụlegharị Agụmagụ (Literature Review) Atụtụ Nkọwa (Conceptual Framework) Nkọwa Okwu Njirimee Omenala

Ezeuko (1986) kọwara omenaala dịka otu ndị si ezipụta ụzọ ndụ ha. Omenaala bụkwazị ihe e ji mara ndị nke nwekwara ike ịkọwaa ndị ahụ. Omenaala gụnyere ejiji, nkwenye, ekele, asụsụ, ofufe na erimeri ha. Ahonsi (1997) kọwara omenaala na Odịnaala dịka mkpokọta ọnụ ka mmadụ si ebi ndụ n'obodo dịka o si metụta

ọnọdụ akụ na ụba, nsiripuru. Ka onye ọbụla si ebi ndụ metụtara nsipuru ebe o si. Ọfọmata (2012) kọwara omenala dịka ihe nile banyere ndụ ndi Igbo na etu e si eme ya. Ọ sịrị na ọ bụ omenala ka ndị Igbo ji ahazi ma na-ebikwa ndụ n'ihi n'usoro obibi ndụ ha nile gbadoro ụkwụ n'omenala ha. Ihe nke a pụtara bụ na omenala bụ ka ndị sị ebi ndụ ha. Ndụ mmadụ dị n'elu ụwa a kwesiri inwe usoro ziri ezi e si ebi ya. Mgbe ọ bụla agbaghapụru usoro ahụ, ebimndụ aghasaa. Obodo ọ bụla na-enweghi omenala anaghịkwa enwe ezi obibi ndụ. Eze R.I.

(2021) kọwara omenala dịka "usoro ndị ọ bụla si eme ihe n'usoro ebimndụ n'agbụru ha". Ọ bụ ihe mmadụ na-eme ma ha emela ya ọtụtụ oge. Igbo tụrụ ilu sị na ihe ọjọọ gbaa afọ, ọ bụrụ omenala. Ọ bụ ndị obodo ọbụla na-ewepụta omenala na-ahazi ndụ ha. Omenala gụnyere: asụsụ, emume, nkwenye, ebimndụ, ekele. Ọtụtụ omenala bụ nke sitere n'aka fere aka wee ruo anyị aka. Nke a pụtara n'omenala sitere n'aka ndị agba ochie wee ruo nd agba ọhụrụ aka. Omenala agbala nnukwu mgbọrọgwu na ndụ ndị mmadụ. E nwekwara omenala ndị ọzọ dị iche iche nke gụnyere: ịwa ọjị, iri ji ọhụrụ, ịwa akwa, iru mgbede, ịlụ nwanyị, ọmụgwọ, ikupụta nwa, ịhụ nwata eze, ịkwa ozu, ịchụ aja, ịha mmiri, nsọala, ịlọ ụwa, dịrịgawazie.

Alụm Di Na Nwunye

Ọ bụ ụzọ kwesiri ekwesi nwoke na nwanyị si ebikọ ọnụ iji nwee ike ịmụba ọmụmụ. Alụm di na nwunye bụ omenala ịlụ nwanyị. Ọ bụ ijikọta mmadụ abụọ si n'ezinaụlọ abụọ dị iche iche ka ha bụrụ otu. Mmadụ abụọ lụrụ onwe ha na-ebiri, nwe mmekọrịta na-enweghị nkewa ọ bụla.

Agụgụ (2006) kọwara na alụm di na nwunye bụ njikọta nwoke na nwanyị dịka dị na nwunye n'ụzọ omenala sịrị kwado, nke ga-eme ka ụmụ ha ga-amụta bụrụ ụmụ tozuru etozu n'ebe ndị obodo ha nọ nakwa n'anya ọhanaeze. Tupu nwoke alụọ nwanyị, ọ ga-agbaso usoro omenala ndị obodo nwanyị kwekọritara we mee nke a tupu ha edunye ya ka ọ bụrụ nwunye ya. Ọ bụrụ na o mezuchaghị omenala ndị ahụ ndị obodo nke nwanyị wepụtara iji lụọ nwanyị, ndị be nke nwanyị agaghị edunye nwoke ahụ ya bụ nwagbọghọbịa ka ọ bụrụ nwunye ya. Ezeuko (2009) kọwara Alụm din a nwunye dịka njikọ dị n'etiti nwoke na nwanyị nke ga-eme ka ụmụ nwanyị ahụ mụtara bụrụ ụmụ ziri ezi ma zuokwa oke n'anya ọhaneze. Anozoba (2010) nyekwara nkọwa nke ya dịka mbikọ ọnụ mmadụ abụọ n'ụzọ ndị

obodo nabatara maka ịmuta nwa. Nwoke ọ bula chọrọ ịlụ nwanyị gaetozu ịmụta ma zụọ ụmụ ọ ga-amụta. Eze R.I. (2021) kọwara usoro alụm di na nwunye ka ihe metụtara nwoke ịga be nwaanyị kwuo ebumnuche ya maka ya bụ alụm di na nwuny, ịmata ma nwaanyị ahụ ọ nabatakwara ya. Nwaanyị ga-aga be nke nwoke chọrọ ịlụ na-achọ ịlụ ya, ịmata ndị ezinaụlọ na ndị obodo nwa amadị ahụ. Otu aka ahụ, nwoke ga-amatakwa ndị ezinaụlọ nke nwanyị. N'oge ahụ, ezinaụlọ abụọ ndị a ga-enyocha omume ha abụọ nke ọma ma malite ịjụ ase gbasara nke ọbụla n'ime ha. Ha ga-akwụ ụgwọ isi nke nwanyị ma ọ bụrụ na ha nabatara omume ya. Alụm di na nwunye dịka o si metụta ọrụ nchọcha a, bụ nkwekọrita di n'etiti nwoke na nwaanyị dịka iwu na omenala Igbo siri kwadoo, nke a tụrụ anya na ha abụọ ga-ebikọ ọnụ ma bụrụ otu ahụ ganye na ọnwụ ekewaa ya.

Ọnwụ


Ọ bụrụgodu na ọnwụ egbuo otu onye n'ime ya, ezinaụlọ ndị ahụ ga-aga na-agakwa n'ihu ma nwekwa mmekọrita. Ma ọ bụrụ na nwoke eburu ụzọ nwụọ, nwanyị ga-abanye na ntọaja ịkwa di ya dịka o siri metụta omenala ebe ọ lụrụ di. Ndị Igbo ghọtara ọnwụ dịka oge onye dị ndụ eku ume kubiri gharazie iku ume, imegharị ahụ, ma tọgbọrọ ebilighi naanị ma apafuru ya ebe ahụ ọ nọ makana ọ dịghịzị ndụ. Onye nwụọ, mkpụrụ obi ya aga n'ala mmụọ bụ ebe ọ ga-anọ zuo ike. Onye nwụrụ anwụ anghị ama onwe ya, nwunye, ụmụ, agbataobi maọbụ ndị ikwu na ibe ya. Ndị mmadụ na-akasi onye ha bịara mgbaru ọnwụ na be ya obi site na inye ya ndụmọdụ ka o die n'ihi na onye ahụ anwụghi anwụ, kama, ọ bu mgbanwe ka o gbanwere. Ọkafọ (1996) chọpụtara ụdị ọnwụ atọ: ọnwụ chi, ọnwụ ọjọọ na ọnwụ akamere. Ụdị ọ bụla n'ime ọnwụ atọ nke a nwere ike igbu di, nke bụkwa onyeisi ezinaụlọ. Ma ọ bụrụ na nna ezinaụlọ anwụọ otu n'ime ụdị ọnwụ a, nwunye ya gaakwa oke arịrị ma nọrọ n'ọnọdụ iru uju dịka ntọaja omenala ha siri dị ganye na ọ kwacha di ya. A na-akpọ nwanyị nọ ọnọdụ dị etu a "nwanyị ajadụ". Ọ na-anọ n'obi mgbawa na n'iwe n'ihi na ebube na ugwu ya bụ di ya ahapụla ya. Ka di nwanyị nwụchara, ndị obodo a na-ezipu ndị ụmụada ka ha gaa gụpụtara nwanyị ajadụ ahụ ihe a tụrụ n'anya na ọ ga-eme tinyere ihe ọ gaghị eme ganye na ọ kwacha di ya nwụrụ anwụ. Iwu ndị ahụ ga-abụ ihe mgbazi we nyere ya ịmata akparamagwa ọha obodo nile tụrụ anya n'aka ya n'ajọ ọnọdụ a iji hụ na ọ dabaghị n'ọnwụnwa ya iji gbochie ha ịda ya ngha, maọbụ inye ya ntaramahụhụ dịrị iwu o debeghi. Iwu ha gụnyere: ịkpụ isi di, apụtaghị iro ganye ụbọchị iri na abụọ e lichara di ya, iyi akwa ojii kwaa di ya otu afọ, ya na nwoke ọzọ enwela mmekọ

(ịkwa iko), dịrịgawazie. Ma nke onye nchọcha gbakwasịrị ụkwụ mee nchọcha ya bụ "ịkpụ isi di".

Ịkpụ Isi

Mma nwanyị bụ ntutuisi ya. O na-edozi ntutuisi ya nke ọma nke na-egosiputakwa n'iha ọha na di ya na-eleta ya anya nke ọma. Ịkpụ isi bụ otu n'ime omenala nke nwanyị di ya nwụnarịrị na-eme mgbe ọ na-akwa di. Basden (1983): "na nchichọtanụ emume iru uju nakwazị ka omenala elimozu gachara, ma nwoke ma nwanyị ajadu na-akpụpụ ntụtụisi ya izipụta ọnọdụ arịrị na mgbawa obi ha nọ n'ime ya. O bụ n'isi ụtụtụ ka o mechara izu atọ e lichara ozu ka a na-eduputa nwanyị ma nwere agụba dị nkọ kpụchapụ ya ntutuisi ya, ma gbaa ya ọkụ. Nwanyị ajadu ọ bụla na-akpụ isi ya nke ugboro abụọ. Ndị iyom di ya ga-akpụ ya nke izizi, ebe ndị be nna ya ga-akpụ ya nke abụọ mgbe ọ nọzuru otu afọ.




ga-akpụ ya nke abụọ mgbe ọ nọzuru otu afọ.


In the Igbo culture when a woman's husband dies the widow would have to shave her head.

Ọnọdụ Ajadu

Ajadu bụ otu n'ime okwu gbara ọkpụrụkpụ e nwere n'ọrụ a. Ezejiofor (2011) kọwara ajadu dịka: "Nkọwapụta na nghọta ewumewu a bụ nke sitere n'omenala na ọdịnala obodo ma bụrụkwa nke na-achịkwa ya. N'ihi nke a, a tụrụ n'anya na nwaanyị ọbụla di ya nwụrụ ga-erube isi n'iwu nile ndị ahụ na ntọaja nile metụtara ọnọdụ ajadu bụ nke omenaala na ọdinaala na-amanye ha. ụmụnwaanyị na mba Naijiria kpọmkwem na-atụ ụjọ ịbanye n'ọnọdụ ajadu. Nke a bụ n'ihina ọ naetinye ha n'ajọ ọnọdụ dị iche iche nke gụnyere mmegide, mkpagbu, ndị a jụrụ ajụ, Ịsọ nsọ, nnapụ oke ruru ha, dịrịgawazie. Ekwealor (2010) kpọrọ ajadu 'ịgba mkpe' nke bụ iru uju maka onye nwụrụ anwụ. Ebe nwoke na-eri uju nwunye ya nwụrụ anwụ, nwanyị na-erikwazị uju di ya nwụrụ anwụ. Ma kaosiladị, ntọaja dị n'ịkwa di na-etinyekarị nwaanyị n'ọnọdụ ọjọọ. N'ihina oge ọbụla e kwutere okwu ajadu, uche ndị mmadụ a na-agbata n'ebe nwaanyị na-akwa di ya nwụrụ anwụ nọ. Madumelu (2014) kọwara na ọ bụrụ na nwoke a nwụọ, ụmụnne ya na-achụpụ nwunye ya ma napụ ya ihe niile o nwere. Oge ụfọdụ, a na-agbaba nwanyị a aka ihe ọ ga-eji zụọ ụmụ ya. Ufọdụ ụmụnwaanyị na-amụtaghịrị di ha nwa nwoke mgbe ọ dị ndụ na-ahụtakarị onwe ha n'ụdị ajọ ọnọdụ dị etu a. Ahonsi (1997) kwuru na echiche di etu a bụ iji gosi ikikere agbụrụ nwoke ahụ nwụrụ anwụ nwere nakwa iji daa nwaanyị ahụ ogbenye.Nke a bụ ka ọ ghara ịgbagha ha okwu maọbụ ghara ịjụ idobe iwu ntọaja ajadu ya.

Atụtụ Njirimee Nchọcha Atụtụ Mmụgharị (Theoretical Framework)

Atụtụ nchọcha dabere nay a dị ise n'ọnụọgụgụ. Ha bụ ndị a:

Atụtụ nchọcha a bụ **Atụtụ Feminizim** bụ nke **Mary Wollstonecraft (1792)** chọputara**.** Mbunuche atụtụ a bụ ka e nwee ike napụta ụmụnwaanyị n'aka mmegide, mmegbu, mkpagbu, nlegharaanya, nchakpodo anya nakwa n'aka ike ha na-enweta site n'aka ụmụnwoke na ọhanaeze ndị obodo ha. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ka ikike na ohere a ga-enye ụmụnwaanyị hara nhata nha na nke e nyere ụmụnwoke dịka o si metụta alụmalụ na mpaghara omenala ndị ọzọ.

Onye nchọcha họrọ atụtụ Feminizm dịka otu n'ime atụtụ ọ gbadoro ụkwụ mee nchọcha ya n'ihina ụfọdụ ụmụnwaanyị o jiri mee nchọcha ya ma bụrụkwa ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ kọwapụtara ihe iche aka mgba di n'ọkpụkpụ ntutuisi a na-akpụ ha mgbe di ha nwụrụ nke gụnyere: ime ka ndị mmadụ hụtawa ha ebe ọbụla ha nọ ka ndị na-ezughi oke isonyere ha, mkpachapụ, ndị mmadụ ịsọ ha nsọ, imegide ha

maka na ọnụ na-ekwuru ha anwụọla, dịrịgawazie. Ya bụ na ọnọdụ ịkpụ isi a na-achịpụta ha ụkwụ n'iro nke na onye ọ bụla hụrụ ha amarala ozigbo na-ajụghị ase na ọ bụ ajadu. Ọ bụghịkwazị iwu na nwoke nwunye ya nwụrụ ga-akpụ isi ya. Iwu amagheghi ya iyiri ya akwa ojii. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ naanị ụmụnwanyị ha ka ha tiri iwu a. N'ihi ya, o na-ezipụta mmegbu, mkpagbu na mmegide nye ụmụnwanyị.

Onye nchọcha jikwazị **Atụtụ Fọnshọnalisti-Soshọlọjị** nke **Emile Durkheim** (Theory of Functionalism-Sociology of Death) chọpụtara gbasara ọnwụ. Durkheim kọwara n'obodo ọbụla naejikọ aka ọnụ nke na onye ọbụla nwere oke na ọrụ dirị ya ịrụ, iji mee ka obodo na-aga n'ihu. O kwenyere na ọnwụ (ịkwa ozu) n'otuaka ahụ abụghị mmemme a ga-ahapụrụ otu onye, kama ọ bụ nke metụtara ọha obodo. N'ihi nke a, ọ bụrụ na mmadụ anwụọ, o bụghị naanị so naani ezinaụlọ onye ahụ si na ya ka o metụtara, ọ metụtara mmekọrịta onye ahụ na ọha obodo. N'otu aka ahụ ka o si dịkwa n'obodo Ụkpabi. Ndị ụmụnna onye nwụrụ anwụ sin a ya na-ejikọ aka ọnụ wepụta ntọaja na omenala etu ha ga-esi kwa ozu ahụ nakwa hazie iru uju onye dị etu a. Ọ bụ ntọaja emume ndị ahụ ha mapụtara dịka iwu ga-enyere ha aka chịkọta onwe ha ọnụ ma jiri nwayọọ pụta na ya bụ ọnọdụ mgbu. Atụtụ a metụtara ntọaja nwanyị di ya nwụnarịrị na-eme n'obodo nke otu n'ime ha bụ ịkpụ isi di. Ihe o zipụtara bụ na ọ bụ ọha obodo jikọrọ aka ọnụ wepụta ntọaja ahụ ka ọ bụrụ otu n'ime emume ntọaja nwanyị ajadụ ga-emere di ya ma ọ nwụọ. N'otuaka ahụ, oke nke a dabere na ọnọdụ omenala na ewumewu. Ọ bụ ntọaja ndị a ka a na-emepụta dịka omenaala obodo ọbụla si dị.
Ịkpụ isi di bụ otu n'ime ntọaja ala Igbo nile tụmadị n'obodo Ụkpabi.

Atụtụ Ntufu na Arịrị (Theory of Loss and Bereavement)
Atụtụ a bụ Sigmud Freud (1917) chọpụtara ya. Ọ bụ nwa amadị a mere nchọpụta ma gụọ banyere ọnọdụ arịrị bụ ụzọ mmadụ si egosipụta iwe na obi mgbawa ma onye ọ hụrụ n'anya nwụnarị ya.

Sigmud kọwara n'ụzọ na akparamagwa ndị mmadụ si ezipụta mmetụta na arịrị ihe mgbu nke obi na-enye aka ime ka ndị ọnwụ ahụ metụtara pụta ma nghọta na ihe mere emego. Nke a gaenyere ha aka ikewapụ onwe ha n'ebe mmụọ onye ahụ nwụrụ anwụ nọ n'ihi nao nweghịzị ihe jikọrọ ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Atụtụ a metụtara isiokwu nchọcha a n'ihi na nwanyị ajadu na-akwa arịrị n'ihi na

di ya bụ ugwu na ebube ne-echekwa ya anọghịzị ndụ. Ọzọkwa bụ na ọ naakpụ isi ya izipụta obi nwute ya makana di ya o ji ntutu isi ya achọrọ mma anwụọla. Iji kwanyere ya ugwu n'ọnwụ ya.

Atụtụ ọzọ omee nchọcha lebanyere anya iji rụọ ọrụ na nchọcha a bụ **Atụtụ Njikọta (Attachment Theory) nke Bowly Ainsworth (1969)** chọpụtara. Nke a bụ otu n'ime atụtụ eji enyocha alụm din a nwunye. Atụtụ a na-akọwa na nwoke na nwanyị hụtara onwe ha anghị anọkata alụ ma ọ bụrụ na emeghị ihe dị mkpa e kwesiri ime n'ụdị omenala na ekpemekpe.atụtụ a naakọwakwa na ọ dị mkpa ime ihe ndị ahụ a tụrụ anya n'aka mmadụ abụọ ndị a tupu ha abịa lụọ dịka din a nwunye. Atụtụ a dabara adaba na nchọcha a n'ihi na ọ bụ mgbe nwoke na nwanyị bịakọtara ọnụ ka di na nwunye ka a ga asị na nwanyị ahụ kwesiri ime ihe ndị a tụrụ anya n'aka ya dịka idobe iwu ntọaja ajadu (ịkpụ isi di) ma ọ bụrụ na di ya nwụọ.

Atụtụ ọzọ dịka ibe ya so n'atụtụ onye nchọcha jiri rụọ ọrụ nchọcha a bụ **Atụtụ Historisizm Ọhụrụ** nke **Stephen Greenblatt (1990)** chọpụtara. Atụtụ a bụ out n'ime atụtụ e ji enyocha omenaala. ọ na-akọwa na site n'agụmagụ, a mara ụfọdụ agụmagụ aamamihe dị mgbe gboo nke hiwere isi n'omenaala kpọmkwem. atụtụ a wuru ewu ọkachasị n'afọ 1980 rue 1990. Atụtụ a ka e wepụtara iji gbazie echiche dịgasị iche iche nke na-ejikọọ ihe ochie na ihe ọhụrụ ọnụ. Atụtụ a dabakwazịrị adaba na nchọcha a n'ihi na ịkpụ isi di malitere na mgbe gboo. Atụtụ a dabakwara iji nyocha ụfọdụ omenala ndị metụtara emume ntọaja ọnwụ na akwamozu.

Nchọcha A Hụrụ Anya

E meela ọtụtụ nchọcha banyere omenala na ntọaja ụmụnwanyị ajadu na-emere di ha mgbe ha na akwa di. Ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha gbasara mkpagbu na mmegide ndị ime obodo na-emegide ụmụnwanyị ajadu n'ihi na ebube, ugwu, na ọnụ na-ekwuru ha (di ha) anọghịzị ndụ. Onye nchọcha lebanyere anya n'ọtụtụ nchọcha e merela yitere isiokwu a ọ na-achọpụta.

Oreh (1998) mere nchọcha banyere isiokwu "omenala na aja dị iche iche a na-amanye ụmụnwanyị ajadu ka ha mee nakwa ịmata ka ọnọdụ ndị a a tụrụ anya n'aka ha si emetụta ebimndu ha". Ọ bụ n'ọgbakọ ụmụnwanyị ajadu abụọ dị n'Ozu Abam nke dị n'okpuru ọchịchị Arọchukwu na steeti Abia ka o jiri mee ya. Ọ chọpụtara ihe ndị a n'obodo Ozu Abam; nwanyị ajadu anaghị apụta ezi ganye na

o ruo abalị asatọ, ụmụada na-akpụchasị ya isi, a na-akpọchi obosara ime ụlọ (master bedroom) di ya na-arahụ mgbe ọ dị ndụ, ka ọ ghara ịbanye n'ime ya, a na-anapụ ha ihe mketa ekpe di ya ọkachasị mgbe nwanyị na di ya si n'otu obodo. Ebe nchọcha Orebmere na nke onye nchọcha siri yite bụ na isiokwu ha abụọ na-akọwa maka ntọaja ụmụnwanyị ajadu na-eme ma di ha nwụọ. Ebe ha siri dị iche bụ onye nchọcha gbadoro ụkwụ gbasara ntoaja ịkpụ isi di ebe Ore (1998) gbadoro ụkwụ na ka ntọaja ọnwụ dị iche iche si emetụta ọnọdụ ebimndụ ụmụnwanyị ajadu.

Anayo .O. (2020) mere nchọcha banyere "Mourning Rituals: Case Study Of Widows in Ezimo Community". Onye nchọcha chọputara ntọaja ụmụnwanyị ajadu na-eme ma di ha nwụọ n'obodo ezimo nke dị n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu. ọ gbadoro ụkwụ ịkọwa na ndị ụka ebutala ihe mgbagwojuanya banyere ka ụmụnwanyị ajadu obodo kwesir isi kwaa di ha. ma kwuo na nke a na-eduhie ụmụnwanyị ajadu ụzọ nke na ọtụtụ amaghịzi ntọaja na omenala ya n'ihi mmegharianya ụka meghịarịri ha. Onye nchọcha chọpụtakwara na agbanyegị na ọtụtụ ụmụnwanyị ajadu na-emekọ ma nkuzi nke ụka na ntọaja omenala ma di ha nwụọ,na ndị obodo Ezimo nile anabatachabeghị ụka kpam kpam. Ọtụtụ ntọaja omenala a tụrụ anya n'aka ụmụnwanyị ajadu obodo a gụnyere: Ikpo arịa, Ịkpụ isi di, Izu asaa, Ebe eto, Igba akwa nwanyị ajadu jikwaadi ya ọkụ, Ise aka jee n'ekwu, dịrịgawazie. Nchọcha Anayo (2020) mere yitere nchọcha a maka na ha abụọ naakọwa maka ntọaja akwamozu ụmụnwanyị ajadu na-eme ma di ha nwụọ ebe ha sị dị iche bụ na omee nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'otu ntọaja bụ 'ịkpụ isi di' n'obodo Ụkpabi, ebe Anayo gbadoro nke ntọaja omenala nile ụmụnwanyị ajadu si n'obodo Ezimo kwesiri ime.

Anedo na Anedo (nd) na nchọcha o mere n'isiokwu a kpọrọ "Ọnọdụ Nwanyị Ajadu
N'Omambala Igbo". Ọ chọpụtara na nchọcha a na ọnọdụ ajadu bụ ọnọdụ nso n'ihi na o nwere ike ibutere ha ọnọdụ ize ha eze. Ebe ụfọdụ ọnọdụ ndị a ka ndị a na-eche na ọ bụ maka ọdịmma ha ebe ndị ọzọ bụ maka ọdịmma ndị ọzọ n'obodo. Naanị otu ihe gbara pụtara ihe na nchọcha ha bụ na o nweghị onye jụrụ ase ịchọpụta ihe bu mbunuche ndị wepụtara omume ndị a nke dobechara ụmụnwanyị ajadu n'ọnọdụ dị etu a. Nchọcha Anedo (nd) mere yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-akọwa maka ọnọdụ ụmụnwanyị ajadu na-eme ma di ha nwụọ ebe ha sị dị iche bụ na omee nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'otu ntọaja bụ 'ịkpụ isi di'

n'obodo Ụkpabi, ebe Anedo mere nchọcha maka ọnọdụ ụmụnwanyị ajadu n'obodo Ọmambala kwesiri ime.

Meziobi D. I., Meziobi S. A., na Iyamu E.O.() dere jonalu n'isiokwu a kpọrọ "Widowhood Practices among Igbos of South Eastern Nigeria as a Betrayal of the Fundamental Human Rights of Women". Ọ bu nchọcha sọvee ka ndị nchọcha ji mee nchọputa nke a iji mata ntoaja emume ndị ajadu na-eme na steeti ise ndị a; Abịa, Anambara, Ebonyị, Enugwu na Imo. Ọ bụ ọnụọgụgụ ụmụnwanyị ajadu nari abụọ na iri ise ndị ha ji tụmbọm tụbọm nweta ka ha ji mee nchọcha a. Ọtụtụ ntọaja ajadu ndị obodo nwepụtara na-emegide ndị ọnọdụ ndị ụmụnwanyị ajadu si n'obodo dị iche iche dị na steeti ndị steeti a. Ebe ụmụnwanyị ndị Igbo anabataghị ajọ ọnọdụ ndị a iwu omenala manyere ha. Isiokwu ndị nchọcha a mere yitere nchọcha a na-eme maka ya n'ihina ha abụọ naakọwa maka ntọaja ụmụnwanyị ajadu na-eme ma ndị di ha nwụọ. Ebe ha sị dị iche bụ na ndị omee nchọcha a gbadoro ụkwụ na n'ọtụtụ ntọaja dịgasị iche iche na ala ịgbo nile bụ nke megidere mwereonwe ụmụnwanyị ajadu, ma nchọcha nke gbadoro ụkwụ naanị n'otu ntọaja bụ 'ịkpụ isi di' n'obodo Ụkpabi, ịchọpụta ka ha si eme omenala a.

Dr. Razzeko .D.(2023) mere nchọcha n'isiokwu jonalụ a kpọrọ "DIMENSIONS OF DEATH: THEORIES AND PRAXIS (Study on the Human Socioliogical and Psychological aspects of Mortuary rituals). Onye nchọcha a chọpụtara na kemgbe agbaochie, mmadụ na-agba mbọ igbanwe ihe chukwu kere ma nwebata amamihe nke ya, kama na ọ bụ naanị ọnwụ nyịrị mmadụ igbochi maọbụ wezuga na ndụ ha. Ọ bụ ihi nke a mera e ji nwee ọtụtụ nkwenye na omenala gbasara ọnwụ nke gụnyere ntọaja nile obodo ọbula na-eme ma mmadụ nwụọ nakwa ka ha sị ahụta ndụ a mmadụ dị ugbua bụ nke na-agafe agafe nakwa njem ọ gara n'ala mmụọ. Nchọcha a chọputakwara mmetụta ọnọdụ nke ntọaja ọnwụ nile na-ebutere mmadụ nke omenala ntọaja ọnwụ mmadụ bụ isi nsepụntị. Ọ bụ atụtụ nke Hertz, Durkheim na Van Gannep ka o jiri mee nchọcha a. Nchọcha Dr. Razzeko (2023) mere yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-akọwa maka ntọaja akwamozu ụmụnwanyị ajadu na-eme ma di ha nwụọ. Ma ya na nke omee nchọcha a dị iche n'ihi omee nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'otu ntọaja bụ 'ịkpụ isi di' n'obodo Ụkpabi, ma nke Dr.
Razzeko mmetụtara ọnọdụ nke ntọaja ọnwụ nile na-ebutere mmadụ.

Nchịkọta Ntulegharị Agụmagụ

Ntulegharị ọtụtụ ọrụ omee nchọcha ndị ọzọ merela gbasara isiokwu a mere ka o doo anya na e nwere ọtụtụ omenal ntọaja dị iche iche ụmụnwanyị ajadu na-eme madi ha nwụọ, ọkachasị oge ha na-akwa di. A chọpụtakwara ka isiokwu ndị ahụ nile ha merela nchọcha gbanyere siri metụta isiokwu a a na-eme nchọcha a. A họọrọ atụtụ ise dị iche iche nke ga-enye aka ịkọwa isiokwu a nke ọma ime ka ọrụ nchọcha a bụrụ akwaa akwụrụ ma nyekwa ndị ọzọ ohere ịmụta ihe ga-enyere ha aka site n'isiokwu a.

Usoro Ọrụnchọcha

Ngwa nchọcha e jiri mee nchọpụta a bụ ajụjụ ọnụ. onye nchọcha gbara otu onye kacha mee okenye na ụmụnwanyị ajadu anọ ajụjụ ọnụ iji nweta data e jiri rụọ ọrụ nchọcha a. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ka ndi obodo Ụkpabi si eme ntọaja omenala nwanyị ajadu ịkpụ isi ya ma di ya nwụọ. **Ntụcha Data**

Nkọwa Ihe Bụ Ịkpụ Isi Di

Ịkpụ isi di bụ omenala izizi nwanyị ajadu na-eme nke na-ezipụta na di ya bụ ebube, ọnụ na-ekwuru ya na ugwu ya ahapụla ya gawa ala mmụọ. O ji ọnọdụ ịkpụ isi ya ahụ egosipụta umeala na nsọpụrụ o nwere n'ebe di ya nwụrụ anwụ nọ. Ndị Igbo kwenyekwara na mma nile nwanyị ọbụla mara bụ di ya ka ọ mara ya. Ọ bụrụ na nwunye mmadụ dozie isi ya nke ọma tinyekwara ahụ ya na-ama pokopoko, ọ na-ezipụta na di ya na-eleta ya anya nke ọma. Ma di ọma ya ahụ nwụọ, ndị iyom di ya na-eji agụba dị nkọ kpụọ ya isi ntutuisi ya (bụ ụdị isi a kpọrọ 'isi nkwọcha') igosịpụta na ọnọdụ nwunye ọ rụrụ abịala n'isi njedebe (ya bụ na o nweghizi isi). Ọtụtụ ụmụnwanyị ajadu na ahụta ịkpụ isi ha mgbe di ha nwụrụ dịka ụzọ isi gosipụta obi mgbawa maọbụ nwute ha nwere na di ha ahapụla ha. Ọ bụ n'ihi nke a ka ụfọdụ ụmụnwanyị ajadu ji eji ezi obi ha kpụọ isi ha. Ọtụtụ mgbe, ha na-ebu ọnya n'isi n'ihi na ọkpụụ isi ahụ nwere ike iji agụba meruo ha ahụ mgbe ọ naakpụ ya isi ahụ.

O na-edozi ntutuisi ya nke ọma nke na-egosiputakwa n'iha ọha na di ya na-eleta ya anya nke ọma. Ịkpụ isi bụ otu n'ime omenala nke nwanyị di ya nwụnarịrị na-eme mgbe ọ na-akwa di. Basden (1983): "na nchichọtanụ emume iru uju nakwazị ka omenala elimozu gachara, ma nwoke ma nwanyị ajadu na-akpụpụ ntụtụisi ya izipụta ọnọdụ arịrị na mgbawa obi ha nọ n'ime ya. O bụ n'isi ụtụtụ ka o mechara

izu atọ e lichara ozu ka a na-eduputa nwanyị ma nwere agụba dị nkọ kpụchapụ ya ntutuisi ya, ma gbaa ya ọkụ. Nwanyị ajadu ọ bụla na-akpụkwazị isi ya nke ugboro abụọ. Ndị iyom di ya ga-akpụ ya nke izizi, ebe ndị be nna ya ga-akpụ ya nke abụọ mgbe ọ nọzuru otu afọ.

Ụbọchị Mbụ Nwanyị Ajadu Na-Akpụ Isi Ya

N'obodo Ukpabi, onye nchọcha chọpụtara na ọtụtụ n'ime ha ka na-ebi ndụ ndị mgbe ochie. Ihe nke a pụtara bụ na onye nwụọ, e lie ya ụbọchị ahụ na-atụfughi oge. E licha ozu, ụmụnna onye ahụ nwụrụ ezukọọ ọnụ kpaa ma kwekọrịta oge dabara adaba ha ga-eji kwaa nwanne ha ahụ nwụrụ anwụ. Ha anaghị ahapụrụ sọ naanị ezinaụlọ ahụ nwe ozu ahụ ka sọ naanị ha kwaa ya ka ọ ghara ịnyịji ha aka. Omenala nke a ka dịkwa ire ma ruo taa.

Ọzọ dịka ibe ya bụ na ezinaụlọ nwere ike biri na mba obodo ọzọ na-agba mbọ. Ma ọ bụrụ na di nwanyị ahụ nwụọ, e nwere ike ịdọnye ozu onye di etu a n'ụlọ nchekwa ozu. Nwanyị ajadu ahụ ga-alọrute ụlọ zie ndị be di ya. Ha ga-etinyekọta isi ọnụ kwekọrịta ụbọchị ha ga-eli di nwanyị ahụ. Ma bido ụbọchị ahụ ganye na e lie nwoke dị etu a, nwanyị ajadu ahụ ga-anọ n'arịrị nakwa na nsọ.

N'ihi nke a, ọ bụrụ na di nwanyị anwụọ, malite ụbọchị eliri di ya (ya bụ ụbọchị ahụ kpọmkwem a dọnyere di ya n'ime ili ma kpochie ya), nwanyị ajadu ahụ agaghị awụsa mmiri na'isi ya ganye na o ruo izu atọ (ya bụ mkpụrụ ụbọchị iri na abụọ). Ọ ga-apụta maka ịkpụ isi nke mbu iji gosipụta na ugwu, ebube nakwa odogwu ọ na-achọrọ mma ahapụla ya lawa ala mmụọ. Ma ka dịka nwanyị ajadu na-eche ka izu atọ a rute maka ịkpụ isi ya, o nwee ka o siri mee ka mmiri metu ya n'isi nke na mmiri si n'isi ya ahụ metụrụ ya n'ọnụ, ọ ga-ada na nnukwu ọrịa nke nwere ike igbu ya n'oge na-adighị anya. Ọ bụ ihi nke mere e ji amara ajadu na-erubeghi oge ịkpụ isi di ọkwa, ka ọ hapụ ịpụta ezi ka mmiri ghara ịma ya maọbụ ihe ọdachị ghara ịkwụdo ya.

Onye Ọ Dịrị Ịkpụpụ Nwanyị Ajadu Ntutuisi ya.

N'ụbọchị ahụ o mere ya bụ izu atọ, ndị iyom di nwanyị ajadu na-agbakọta ọnụ n'isi ụtụtụ n'ihu mbara ezi be ya ahụ. Ihe ndị a tụrụ anya na ajadu ga-ewepụta tupu ndị iyom ya erute gụnyere:

'agụba(ọkpe), mmiri na akpa'. Ọ bụ otu onye n'ime ha kacha mee okenye ma bụrụkwa ajadu di ya nwụrụla ga-akpụ ya isi. Ma ọ bụrụ na na onye dị etu a anọghị nso, onye ọbụla n'ime ndị iyom di ya nwere ike ịkpụ ya isi.

Usoro E Si Akpụ Nwanyị Ajadu Isi

Onye ọbụla zukọtachaa, otu iyom ga-aba n'ime ụlọ dupụta nwanyị ajadu ahụ ha bịara ịkpụ isi. Otu iyom ga-ebulite efere e kunyere mmiri na ya ebe onye ọzọ ga ewelite akpa a ga-eji tinye ntutuisi a kpụpụtara elu. Ọ bụ iyom ahụ kacha mee okenye ga-eji agụba (nke ndị obodo kpọrọ 'ọkpe') ahụ. Ma tupu ọ malite ịkpụ ajadu isi,ọ ga-ebu ụzọ detu aka na mmiri ahụ, ma fesa ya mmiri n'isi iji mee ka ọkpụkpụ ya bụ isi gara ya were were. Ntutu ọbụla ọ kpụpụtara, o tinye ya n'ime akpa ahụ e welitere ya elu. ọ bụrụ na ọ kpụchaa, a ga-azakọta mbaraezi ebe ahụ a nọrọ kpụọ ya isi ahụ ma kponye ihe ha zapụtara n'ime akpa ahụ. Nke a bụ ịgba mbọ hụ na o nweghị ntutuisi a gaahapụ ebe ahụ. Ihe ọzọ bụzị na ha ga-agba ntutuisi ahụ ọkụ ma gwuo ime ala zanye ntụ ya. Nwanyị ajadu ahụ nweziri ike ịlọghachi ebe ya na di ya bi ma nọrọ ebe ahụ kwawa di ya ganye na o ruo ọnwa isii. Onye nchọcha chọpụtara na mgbe gboo, a na-amaye nwanyị ajadu ka ọ kwaruo di ya otu afọ mana ọ dịghịzị etu ahụ ugbu a. Nwanyị ajadu ọbụla nwekwazịrị ike ịkwaru di ya otu afọ. Ma ka ọ dị n'oge ugbua, ọ bụ o pekata mpe ọnwa isii ka a tụrụ anya na nwanyị ajadu ọ bụla a lụrụ etu e si alụ nwanyị ga-akwaru di ya n'ihi na ụka batara be ha.

Nke a gachaa, ndị iyom di ya nile ga-alawa ebe nwanyi ajadu ga-amalite ụbọchi ahụ, wụba mmiri n'isi oge ọbụla ọ chọrọ ịsa ahụ nakwa mgbe masịrị ya. Malitekwazị ụbọchị ahụ ka nwanyị ajadu ga-eyiwe uwe ojii o ji akwa di ya.

Akọrọngwa eji akpu nwanyi isi





Ugboro Abụọ ka Nwanyị Ajadu Kwesiri Ịkpụ Isi Ya Dịka Omenala Ụkpabi Siri Dị

Ka ọ họrọ otu ọnwa ka nwanyị ajadu ruo ọnwa isii, ọ ga-ezigara ndị be nna ya ozi na ọ gaabịa ime emume ntọaja ịkpụ isi nke abụọ nakwa iyipu akwa ojii o jiri kwaa di ya. Ozigbo nwanyị ajadu mere ọnwa isii, ọ ga-aga be nna ya. Ọ na-abụ nnukwu mmemme. ọ bịawa, ya, ụmụ ya,na ụfọdụ ndị be di ya dutere ya na-ebu mmanya nkwụọcha,egbele ọkụkọ, ji, na ọjị wee bata ịsonyere ndị be nna ya ṅụrịa na ọ kwachara di ya n'udo na n'ahụike na-enyeghị nsogbu ọbụla. Ndị be nna ya ga-anabata ya n'ọnụ ma o rute. Ọ bụ otu nwoke n'ime ndị be nna ya ga-akpụ nwanyị ajadu ahụ isi nke ugboro abụọ. Ọ bụ nwanyị ajadu ka ọ dịrị iweta agụba, mmiri na akpa dịka o siri mee mgbe a kpụrụ ya nke mbụ. Nwoke ahụ si be nna ya ga-emetu ya mmiri n'isi iji mee ka ọkpụkpụ isi ahụ ga were were na-emerughị nwanyị ahụ ahụ n'isi gannye na a kpụchaa ya. A ga-ekponyekwazi ntutuisi akpụpụtara ya n'isi n'ime akpa.zachapụ ebe ahụ a nọrọ kpụọ isi ahụ zanye n'ime akpa ahụ. Nwanyị ajadu ahụ ga-eyipu uwe ojii ahụ o jiri kwaa di ya. A ga-agbakọta uwee

ojii na ntutuisi ahụ ọkụ, bịa zanye ntụ ọkụ repụtere ha ha n'onunu e gwuru n'akụkụ ya. Nwanyị ajadu ahụ ga-aga saa ahụ nke ọma. Ndị be nna ya ga-achịpụtacha akwa ndị ha zụtara ya. Ọ ga-ahọrọ otu akwa n'ime ha kacha mma mma yiri wee sonye ha na mmemme ahụ. Ndị be nna ya ga na-agba egwu ma na-enwe aṅụrị na nwa ha kwara di ya nke ọma. Mmemme kụrụ ọnụ, ndị be di ya dutere ya ga-alọghachi azụ ịgwa ndị obodo ha na omenala nke ntọaja ahụ ahụ ha gara ịnọchi anya ha gara nke ọma.

Nwanyị ajadu na ụmụ ya na-adịna na be nna ya. N'uhuru chi ya, ndi iyom ụmụnna ya ga-ebutere ya ihe ngwa ofe, ndị na-akọ ji ga-ebutere ya ji, na ihe oriri ego, na ihe onyinye ndị ọzọ. Ọ bụ ihe onyinye ndị a nile ka ọ ga-ebu laa ịmalite ndụ ọhụrụ. O mechaa, o duru ụmụ ya lọghachi ịzụ ha.

Ihe Ọdachi Ga-Eme Nwanyị Ajadu ObUla Jụrụ Idobe Ntọaja Ịkpụ Isi Di Ya

A chọpụtara na ihe ọdachi ga-ada n'isi nwanyị ajadu ọbụla na-edobeghi omenala a n'obodo Ụkpabi. Ha gụnyere:

1. Oke ọrịa nke amaghị ebe o sig a-adakwasi ya. E nweghikwa ike ịji igwe nchọpụta amata ihe na-arịa onye di etu a n'ụlọọgwụ. N'ihi nke a, ụdị ọrịa a anaghị ekwe ngwọta. Ha kwenyere na ọ bụ ndị mmụọ tụrụ onye di etu ahụ ya bụ ajọ ọrịa. Nwanyị ajadu ahụ gaarịagide ọrịa ahụ ganye na ọ nwụọ.
2. Nwanyị ajadu na-erubeghi izu atọ (mkpụrụ ụbọchị iri na abụọ) ma bụrụ mgbe ndị iyom di ya kwesiri iịkpụ ya isi agaghị apụta ezi. Nke a bụ iji mee ka mmiri ghara ima ya maọbụ metu ya n'isi. Ọ bụrụ na mmiri si ya n'isi metụ ya n'ọnụ n'oge a, ọ ga-ada na nnukwu ọrịa nke nwere ike igbu ya n'ime out afọ ahụ a tụrụ anya na ọ ga-akwacha di ya. Ọ bụ ihi nke mere e ji amara nwanyị ajadu na-erubeghi oge ịkpụ isi di ọkwa, ka ọ hapụ ịpụta ezi ka mmiri ghara ịma ya maọbụ ihe ọdachị ghara ịkwụdo ya. Ọ sawa ahụ, ọ ga-akpachapụ anya ịhụ na mmiri emetughị ya n'isi. Iji zenarịa ntọaja a, ọtụtụ ndị ụmụnwanyị ajadu a na-eji akwa ehicha ahụ iji mee ka mmiri ghara ịkwọsa ha n'isi mgbe ha na-asa ahụ ha.

Ka Ọnọdụ Ịkpụ Isi Di Si Metụta Ụmụnwanyị Ajadu Ndị Obodo A

Ụmụnwanyị ajadu ha kọwara na-agbanyeghi na omenala ịkpụ isi di na-ezipụta umeala na nkwanyere ugwu nwanyị ajadu na-akwanyere di ya n'ọnwụ, ọ na-

emetụta ebimdụ ha n'etitiọha obodo ndị ọzọ. Ebe ọdachi ọ na-ebutere ha gụnyere ndị a:

1. Ọ na-eme ka ndị mmadụ hụtawa ha ebe ọbụla ha nọ ka ndị na-ezughi oke isonyere ha,
2. Ọ na-ebutere ha mkpachapụ.
3. Mmegide na mmegbu maka na ọnụ na-ekwuru ha anwụọla. Ya bụ na ọnọdụ ịkpụ isi a naachịpụta ha ụkwụ n'iro nke na onye ọ bụla hụrụ ha amarala ozigbo na-ajụghị ase na ọ bụ ajadu(n'ihi isi nkwọcha a na-akpụ ha).
4. Ọ bụghịkwazị iwu omenala na ụmụnwoke ajadu ga-akpụ isi ya. Iwu amagheghi ya iyiri ndị nwunye ya akwa ojii. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ naanị ụmụnwanyị ha ka ha tiri iwu a. N'ihi ya, o na-ezipụta mmegbu, mkpagbu na mmegide nye ụmụnwanyị.
5. Ọtụtụ ụmụnwanyị ajadu na-ebu ọnya n'isi ha n'ihi na ọkpụụ isi ahụ nwere ike iji agụba meruo ya ahụ. O nwereike ịkpachara anya (ma ọ bụrụ na nwanyị ajadu ahụ na iyom naakpụ ya isi adịghị na mma) mee nke a maọbụkwanụ akpachapụghị anya meruo ya ahụ.
   Ọnọdụ dị etu a nwere ike itinye ha n'arịrị n'ihi na ha agaghi enyenwuru onwe ha aka n'ọnọdụ a maka na ọ bụ omenala.

Nchịkọta Nchọpụta

Ịkpụ isi dib u omenala ntọaja ụmụnwanyị di ha nwụrụ ma bụrụkwa ndị a lụrụ n'obodo Ụkpabi nke dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-Ụwanị na-eme mgbe ha na-akwa ozu. Ọ na-ezipụta umeala, ugwu na nsọpụrụ ha na-enye di ha nwụrụ anwụ. Omenala a malitere mgbe gboo ma a ka naemekwa ya ruo taa n'obodo ahụ. Ọ bụ naanị ụmụnwanyi ajadu obodo a ka ọ dịrị imejupụta ya. Ndị omee nchọcha jụrụ ase gbalịrị nke ọma ka ike ha ha ịkọ ka omenala na ntọaja si dị n'obodo ha. Ebe ụmụnwanyị ajadu kwupụtakwara ọdachị ntọaja na-ebutere ha na ndụ. Ha kwuru sị na ọ bụghị naanị ịkpụ isi a na-amanye ha kpụọ bụ ụzọ nwanyị ajadu kwesiri isi gosipụtara di ha nwụrụ anwụ ugwu na nsọpụrụ. Kama, ha chere na ugwu na nsọpụrụ ha kwesiri inye dị ha na ọnwụ bụ "ịnọgịde nay a bụ ezinaụlọ ndị di ha wubere ma zụọ ụmụ ha mụtara ka ngwuru maọbụ agbụrụ di lụrụ ha ghara ichi (imechi)". N'ihi nke a, ọ dị mkpa ka a hapụ ụdị omenala n'ụdị ka nwanyị ajadu ọ masịrị ime ya, mee ya na-enweghi mmanye.

Ọbịbịa Ụka Dịka O Si Metụta Ntọaja Ịkpụ Isi Di A

Onye nchọcha chọpụtara na kemgbe ụka batara n'obodo a, enwere ọtụtụ mgbanwe na ntọaja ịkpụ isi di. Ha gụnyere:

1. Ụmụnwanyị ajadu ụfọdụ na-akpoku ndị ụka ha ka ha kpụọ ha isi di ma oge ha ruo ịkpụ isi di n'ihi egwu eweghi ezi ntụkwasịobi n'ebe ndị iyom ya nọ.
2. N'ihi ka ọ bụ ozigbo a kpụchara nwanyị ajadu isi ka o ji amlite iyi akwa ọnwụ di ya, ha hapụrụ uwe ojii ndịnile nọ ụdị ọnọdụ na-eyi malite na mgbe gboo bido yiwe uwe ọcha.
3. Ha anaghịzị akwaru ndị di ha otu afọ, kama ọ bụzị ọnwa isii ka ha na-anọ eme emume ntọaja ịkpụ isi nke abụọ na be nna ha dịka iwu omenala a si dị.

Mmechi

Isiokwu ọrụnchọcha a lebanyere anya n'ịkpụ isi di n'obodo Ụkpabi nke dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-Ụwanị na steeti Enugwu. E mere nchọcha a ịchọpụta ka ndị obodo a si eme omenala na ntọaja ịkpụ isi di bụ omenala nwanyị a lụbatara n'obodo a na-eme ma di ya nwụọ. Ọrụnchọcha a mere ka a mata na ọ bụ ka o mere izu atọ e lichara di nwanyị ka nwanyị ajadu ji akpụ isi ya. Ọrụ nchọcha a labanyere anya n'usoro emume ntọaja ịkpụ isi di dịka o si metụta omenala ndị obodo a. O lebakwasịrị anya mkpa ọ dị na nwanyị ajadu ọbụla mejuputere ya bụ ntọaja iji wee gbochie ọdachi nile na-eso ndị nupuru isi ime ya. Ọrụnchọcha a na-enye ntuziaka ka ndị obodo a lebaa anya nke ọma ka ntọaja ịkpụ isi di a si emetụta ụmụnwanyị ajadu ma kwụsị ya kpamkpam iji mee ka ụmụnwanyị ajadu were onwe ya n'aka ihe mmekpa ahụ na mmegbu nile dị na ya.

Nrụaka

Abonyi, A. N. (2021) Ezinụụlọ Ndị Igbo: Ntọala Nkuzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo. Nsukka: Paschal Communications p.g. 106.

Agugu, M.O. (2006) Ndị Igbo na akụkọ al ha. Nsukka: Eva-Unique Printing and Publishing.

Ahonsi, B. (1997). "Society, Culture, and the Status of Widows in Contemporary Nigeria: a Gender Analysis". Paper presented at the workshop on the Rights of Widows in Nigeria organized by Human Development Initiatives (HDI) under the auspices of Friedrich Ebert Foundation, Lagos.

Anayo, O. (2020). Mourning Rituals: Case Study of Widows in Ezimo Community. Sapientia Foundation Journal of Education. Pg. 325-342. ISSN: 2734-2514 (online)

Basden, .G.T. (1983). Among the Ibos of Nigeria. Onitsha: University.

Bowly, J. (1969). Attachment and loss: vol.1.Attachment. New York: Basic Books.

Bowly, J. (1980) ATTACHMENT AND Loss: Sadness and Depression.Volume 111. Howarth Press, London

Durkheim, Emile. (1952). Suicide. London: Routledge & Kegan Paul

Eze, R.I. (2021) Omenala. Ntọala Nkuzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo. Nsukka: Paschal Communications p.g. 133.

Ezeuko, R.O. (1986). Ewumewu omenaala, ofufe na nkwenye ndị Igbo.Onitsha:

EtukokwaPublishers Nigeria Ltd.

Freud .Sigmud. 1915. Thoughts for the Times of War and Death. Standard Edition. 14(27): 275300.

Greenblatt, S. (2007).Learning to Curse. London: Routledge.

Grief and Bereavement (The SAGE Encyclopedia of Theory of Psychology.

MLA. Wollstonecraft, Mary. A Vindication of the Rights of Woman.Penguin ooks, 2004.

Meziobi S. and Iyamu, E.(2011): Widowhood Practices among Igbos of South eastern Nigeria as a Betrayalof the Fundamental Human Rights of Women. Vol 8 (2), 65-75

Ofomata, C.E. (2012). Omenala na ọdịnaala ndị Igbo. Enugu: Format Publishers Nigeria Ltd.

Okey-Agbo, J.N, Akaeze, C.M, Iwuala, Z. & Achebe, L.A (2023) Ịgba Alụkwaghịm N'Usoro Omenela Igbo: Obodo Igbo Atọ Dịka Ebe Mgbakwasa Ụkwụ. Sapientia Global Journal of Arts, p.g. 295-316; ISSN:2695-23279 (online).

Okafo, S. (1996) Death, Burial and Widowhood in the Catholic Diocese of Awka: Guidelines and Directories. Awka: Retreat Pastoral Centre.

Oreh, C.I. (1998). "Widowhood Practices in Nigeria and Support Systems: Challenge to Community Development Association in Ozu Abam". A Ph.D Thesis Presented to the Department of adult Education and Extra-Mural Studies.

S/N	AHA	AFỌ	AKAỌRU	ỤBỌCHI
1	OGBOBE ALEXANDER	68	ONYE ỌRỤ UGBO	22/02/2025
2	UGWU CHRISTIANA	50	ỌZỤỤ AHỊA	30/2/2025
3	OGBOBE LEBECHI	45	ONYE NKỤZI	12/3/2025
4	DIMANEKE BEATRICE	40	ỌZỤỤ AHỊA	20/3/2025

www.tiktok.com>video: shaving of hair as a sign of one of the rituals of widowhood www.youtube.com>5

Ndị Agbara Ajụjụ Ọnụ